# Nsirihụndụ ndị Igbo gbasara Agamnihu

Si n'Aka

**Esther Ogochukwu Akpulu**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Kọminikeshọn*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
eo.akpulu@unizik.edu.ng
***08063010049***

## Ụmị edemede

Ndị Igbo bụ ndị e ji ịgba mbọ were mara. Ịgba mbọ ndị Igbo bụ ụzọ ha si ezipụta nkwenye ha na ezi ọrụ nwere ụgwọ nke na-apụta ihe n'ilu Igbo dị iche iche dị ka, "Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ", "Onye rụọ o rie", "Nwata kwọchaa aka, o soro okenye rie nri", dg. Mana ọ bụ ihe mwute na oke ịgba mbọ ọtụtụ ndị Igbo n'ọgbọ dị ugbua na-edubanyezi ha n'ịkpa arụ dị iche iche iji sonye na ndị a na-ahụta dị ka ndị nwere agamnihu. A na-ahụ ụdị ajọ akparamaagwa ha na-akpa iji nweta akụ na ụba dị ka: igbu mmadụ were gwọọ ọgwụ ego, ịtọ na ire mmadụ na ndị ọzọ. Ebumnobi nchọcha a bụ ime ka a mata na Igbo hụrụ ịgba mbọ na agamnihu n'anya ma ha kpọrọ ịchụ akụ na ụba n'ụzọ ezighị ezi asị. Ederede a ga-enye aka mee ka nsogbu na-apụta n'ịchụ akụ na ụba ọnwụ ọnwụ juru n'ala Igbo belata mekwa ka ụwa ghara ịdị na-ahụtazi ndị Igbo dị ka agbụrụ hụbigara akụ na ụba n'anya oke. A ga-esite n'ụzọ dị etu a weghachi ezi agamnihu n'ala Igbo. Nchọcha a gbasoro usoro nkọwapụta. E jikwa atụtụ ezi akparamaagwa were tụchaa ya. Nchọpụta gosiri na nghọtahie nkwanye ugwu a na-enye ndị nwere ego, anya ukwu, e jighịzi "ezi aha ka ego" kpọrọ ihe na ndị ọzọ so n'ihe na-ebute oke ịchụ na ịhụ akụ na ụba n'anya jupụtara n'ala Igbo. Odee na-atụ aro ka ndị Igbo laghachi azụ na nkwenye ha ndị na-akwalite agamnihu site n'ịgba mbọ nye aka na-akụnye mkpụrụ agbam mbọ na ndụ ndị na-etolite etolite.

## Okwu Mmalite

Agbụrụ ọ bụla n'ụwa niile nwere ụzọ dị iche iche ha si aghọta ụwa na ihe niile dị n'ụwa. Ọ bụ site n'usoro obibi ndụ agbụrụ ọ bụla ka e si ahụta nsirihụndụ ha. N'otu aka ahụ, nsirihụndụ ndị Igbo metụtara ụzọ ha siri hazie usoro obibi ndụ ha nakwa nkwenye ha dị iche iche. Na nkewenye ndị Igbo, ihe ọma, ngọzi na agamnihu na-esite n'aka Chineke. Ọ pụtara na ọ bụ Chineke na-agọzi akaraka mmadụ. Ndị Igbo na-ezipụta nke a dị ka ha na-ekwu n'okwu "agbakam mbọ bụ ego nri, ọgaranya na-esi na Chi." Ma ha kwenyekwara na "Onye Chi na-azọ na-azọ onwe ya." Nke a mere na ndị Igbo ejighị ịgba mbọ egwu egwu n'ihi na ha kwenyere na ọ bụ site n'ịgba mbọ ka Chukwu ga-esi gọzie ha. Mmadụ agaghị anọrọ nkịtị were na-eche ngọzi Chukwu. Ọ bụ nghọta dị etu a mere na e jighị ịrịọ arịrịọ mara ndị Igbo. Kama onye ọ bụla na-agbalịsị ike inwe ụzọ ọ ga-esi na-abara onwe ya, ezinaụlọ ya na obodo ya uru. Onye Igbo anaghị anọrọ ka a na-enye ya enye kama onye ọ bụla chọrọ enyemaka bụ n'ụdị ọ ga-eji malite ịgba mbọ nke ya. Iji maa atụ, Achebe (1958) zipụtara etu Okonkwọ siri gaa rịọ Nwakibie ji ọ ga-akọ n'ihi na o nweghị ike inweta ji n'aka nna ya bụ Unọka. O doro anya na ihe Okonkwọ gara n'ụlọ Nwakibie ime bụ ịrịọ ya mkpụrụ ji ọ ga-eji malite ndụ na akaọrụ nke ya dị ka onye ọrụ ugbo. Nke a bụ iji gosi n'ezie na ndị Igbo anaghị achịkọ aka, nọrọ na-eche ka ndị ọzọ na-enye ha.

Ọ bụ site n’akaọrụ dị iche iche ka ndị Igbo na-esi egosi agbam mbọ ha. O nweghị onye na-anọrọ ka agụụ gụgbuo ya na ezinaụlọ ya. Ọ bụ ya mere na e ji akaọrụ dị iche iche were mara ndị Igbo. Ma akaọrụ kacha pụta ihe e jiri mara ndị Igbo ọ kacha n’oge ochie bụ ọrụ ugbo. Ọrụ ugbo ndị Igbo abụghị naanị ịkọ erimeri kama ha na-akpakwa ụmụanụ dị iche iche. Ha nwekwara akaọrụ ndị ọzọ dị ka ịchụ nta na ọrụ nka dị iche iche dị ka ikwe akwa, ịkpụ ụzụ na ndị ọzọ. N’oge ugbu a, ndị Igbo na-arụkwa ọrụ Bekee dị iche iche tinyere imepụta ngwa ahịa na ịzụ ahịa. Ihe niile ndị a na-egosi mmụọ agbam mbọ ndị Igbo na ụzọ iji nweta ezi agamnihu site n’ịgba mbọ.

Agbụrụ niile dị n’ụwa na-enweriri ndị na-etinye aka n’ihe ọjọọ. Ọ bụghị naanị ndị Igbo mana n’ihi na ndị Igbo na-agba mbọ nke ukwuu, ọ na-adịzị ndị mba ọzọ ka onye Igbo ọ bụla nwere akụ na ụba etinyela aka n’ihe ọjọọ ma nke a abụghị eziokwu. Ndị Igbo na-eke ajị n’ume ma na-agbasi mbọ ike tinyere na Chineke na-agọzi ha nke mere ha ji enwe agamnihu.

Nchọcha a bụ iji zipụta na ndị Igbo bụ agbụrụ kwenyere na ọ bụ site n’ịgba mbọ ka e si enweta agamnihu. Nchọcha a dị mkpa n’ihi na ọ ga-enye aka igosi na oke, “Ọ chaa gbute ọ chaghị gbute” jupụtara na ndụ ọtụtụ ndị Igbo n’ọgbọ a abụghị njirimara ndị Igbo. Site n’ime nke a, ndị mmadụ n’agbụrụ dị iche iche ga-aghọta na nkwenye ndị Igbo, agamnihu na-abịa site n’ịgba mbọ.

**Ntụleghar‌ị Agụmagụ**

**Nsirihụndụ**

Nsirihụndụ bụ ụzọ ndị ahụ dị iche iche agbụrụ ọ bụla si aghọta ma na-elegara ụwa anya. Ọ gbadoro ụkwụ n’etu ndị ọ bụla si eche echiche ma na-akọwa ụwa na ihe niile dị n’ụwa. Ọ bụkwa otu n’ime ihe ndị na-eme ka agbụrụ ọ bụla chụpụ iche. Na nkọwa Isidienu (2018), nsirihụndụ bụ ihe ndị ahụ bụ isi sekpụ ntị n’ịhazi ndụ na akparamagwa onye ọ bụla. O kwukwara na ọ bụ nchịkọta usoro obibi ndụ ndị. Isidienu (2018) kọwara na nsirihụndụ ndị mba Afrịka hibere isi na ndụ tinyere ichekwa na ime ka ndụ dị mma. Nke a bụ eziokwu ma a ga-amata na a naghị agba aka echekwa ndụ. Ihe ọ pụtara bụ na ichekwa ndụ gụnyere ime ihe niile kwesịrị ekwesị iji nyere ndụ aka.
Nwoye (2011) kọwara na nsirihụndụ bụ etu agbụrụ ọ bụla si aghọta ma na-akọwa ụwa ha ma ọ bụ etu ihe siri dị nakwa etu ihe si agbanwe na gburugburu ha.

**Agamnihu**

Agamnihu bụ mmadụ inweta ezi ụgwọ ọrụ nke na-esite n’ịdị uchu n’ọrụ. Ọ bụ onye na-agba mbọ n’ihe ọ na-eme ga na-atụ anya inweta agamnihu. Orji (2021) kọwara na agamnihu gụnyere mmadụ ịga n’ihu n’ụlọ ọrụ, n’ezinaụlọ nakwa n’agụmakwụkwọ. Ọ pụtara na ọ bụghị naanị site n’otu ụzọ ka agamnihu si abịara mmadụ. Oge onye ọrụ Bekee nwetere mbuli n’ọkwa site n’ogo ọ nọ gaa n’ogo ka elu, o nwetela agamnihu. Ọ bụrụ na di na nwunye lụchaa onwe ha ma mụta nwa ma ọ bụ ụmụaka, a ga-asị na ezinaụlọ ahụ na-aga n’ihu. Ọzọ, onye na-azụ ahịa malitere azụmahịa ya mgbe o nwere naanị otu ọnụ ụlọ ahịa ma mechaa mgbe afọ ole na ole ghachara, o nwewanye ọnụ ụlọ ahịa atọ, anọ ma ọ bụ karịa, a ga-asịkwa na onye dị etu ahụ nwere agamnihu n’azụmahịa ya. N’otu aka ahụ, agamnihu nwekwara ike ịpụta ihe na ndụ onye na-agụ akwụkwọ nke na-agafe n’ogo dị iche iche o kwesịrị ịga n’agụmakwụkwọ ya. Mgbe ọ bụla mmadụ nwere agamnihu, ọ pụtara na ọnọdụ onye ahụ akawanyela mma.

**Ịgba Mbọ dị ka Njirimara ndị Igbo**

N’ezie, agbụrụ ọ bụla nwere ihe e ji mara ha na ihe e ji atụnyere ha. Ọ bụ ya ka Igbo ji asị na “ka onye si eme ka ekwe si akpọ ya.” Ndị Igbo bụ ndị e ji ịgba mbọ n’ihe ọ bụla ha na-eme were mara.

Ọ bụ oke ịgba mbọ na-edunye ndị Igbo n'ịga mba dị iche iche n'ụwa iji chọọ ma nweta ohere ịgba mbọ were nweta agamnihu. Ephraim-Chukwu (2023) kwenyere nke a ma sị na ndị Igbo bụ ndị e ji ịgba mbọ na itinye uchu n'ihe ha na-eme were mara iji hụ na ha mere ya nke ọma. Nke a gosiri na ndị Igbo na-agba mbọ ma na-etinyekwa mmụọ ha iji hụ na ihe ọ bụla ha kpebiri ime bụ nke ha mere nke ọma. Akpulu (2020) kwuru na ịrụsi ọrụ ike bụ ihe e ji mara ndị Igbo. Ọ kọwara na ihe dị onye Igbo mkpa bụ ịdị na-ahụ na mbọ ọ bụla ọ na-agba na-eweta agamnihu. Ọ bụ ụdị echiche a na-eme ka onye Igbo tinye uchu n'ihe ọ bụla ọ chọrọ ime n'ụdị na nsitere n'agbam mbọ ahụ ga-ewetara ya agamnihu.

Na nkọwa nke ya, Isidienu (2023:5) kwuru na "Ndị Igbo nwere mmasị pụrụ iche n'ebe ịrụ ọrụ dị n'ihi na ọ bụ site n'ọrụ ka ha ji akpata ihe afọ na-eri." Nke a pụtara na ịrụ ọrụ anaghị egbu ndị Igbo obi kama ọ na-enye ha afọ ojuju. Nkọwa a dabara adaba iji kọwaa ndị Igbo dị ka ndị e ji ịgba mbọ mara maka na agbam mbọ na-apụta ihe n'ịrụ ọrụ dị iche iche.

N'ịga n'ihu, Flint (1966) kọwara ịgba mbọ ndị Igbo n'ọrụ dị ka ọ sịrị na tupu ndị mbịarachịwa abata ala Igbo, ndị Igbo ejirila ọgụ na mma sụpịa ma kọsachaa ọtụtụ ala ndị nwere ike ịbụ oke ọhịa na mbụ. Nkọwa a mere ka o doo anya na ịdị uchu n'ọrụ dị ndị Igbo n'ọbara. Tupu ndị Bekee ewebata iji akarangwa ọgbara ọhụrụ rụọ ọrụ ugbo, ndị Igbo na-eji ọgụ na mma ha eme ka oke ọhịa ghọrọ ala ubi. Nzereogu (2022) mekwara ka o doo anya na ndị Afrịka nke ndị Igbo so na ya bụ ndị na-agba mbọ ebe ọ dị ukwu tupurị mmekọrịta ha na ndị mbịarachịwa.

A bịa na nkọwa Nwani (2024), o mere ka a mata na ndị Igbo bụ agbụrụ nwere ọnatarachi pụrụ iche, dị ike, na-agba mbọ ma nwekwaa mmụọ agamnihu. Ọ kọwara na ikepụta steeti ọzọ n'ala Igbo bụ nnukwu ohere pụrụ iche iji mee ka ndị ga-esonye na ya nwee isi ọma. Ndị Igbo na nkọwa ya bụ agbụrụ na-adị uchu n'ọrụ ma na-agba mbọ n'ụdị enweghị atụ nke na-eme ka ha na-aga n'ihu ma bụrụ ndị ọtụtụ mba n'ụwa na-elegara anya, na-eṅomi ma na-atajiri anya.

Na ntụnye nke Anokwute (2019), mgbagha ọ bụla adịghị na ndị Igbo bụ ndị na-agbasi mbọ ike, ndị na-aka obi n'ime ihe ahụ e chere na o siri nnukwu ike. Okwuosa, Nwaoga na Uroko (2021) kwuru na ndị Igbo na-akachi obi ọ bụladị n'oge ihe isiike na ihe iche aka mgba dapụtara na ndụ ha. Ihejirika (2011) kọwakwara na etu ndị Igbo siri tụlitekwa oge a lụchara ọgụ Naịjirịa na Bịafra gosiri na ha bụ agbụrụ anaghị ada mba. Ọ kọwara na ọ bụladị iwu ndị ọchịchị Naịjirịa tiri n'oge ahụ bụ nke o doro anya na ọ bụ iji megide ndị Igbo ma napụ ha ihe nnweta ha oge agha bichara, e meghị ka ndị Igbo daa mba. Ihejirika kọwara na nke a na-ezipụta na ndị Igbo na-agbasi mbọ ike. N'ezie, ndị Igbo kwenyere na site n'ịgba mbọ mmadụ ga-abụ ihe ọ chọrọ ịbụ. Nkwenye dị etu a mere ndị Igbo ji asị na "Onye kwe, chi ya ekwe." Okwuosa, Nwoaga na Uroko (2021) kwenyere na onye Igbo ọ bụla nwere otu ọnatarachi ma ọ bụ abụọ nke a na-ahụta dị ka chi onye na-enyere onye ahụ aka iji nweta agamnihu na ndụ. Ndị Igbo ghọtara na chi onye na-adị n'ụdị akaraka nke Chukwu nyere mmadụ site na mgbe a mụrụ ya. Ha nwere nkwenye na ọ bụ site n'ịgba mbọ ka chi onye ga-eji nyere mmadụ aka mee ka akaraka ya chawapụta. Okwuosa, Nwoaga na Uroko (2021) tinyere na ndụ ịdịnotu bụ otu ihe e jiri mara ndị Igbo nke na-enyere ha aka ịchọ ọdịmma mmadụ niile. Na nkọwa ha, ndụ ndị Igbo jupụtara n'inye onye ọ bụla ohere ịgbara onwe ya mbọ na inweta nka mma na ndụ. Ọ dighị onye na-anọchiri ibe ya ụzọ ka ọ ghara ịga n'ihu kama a na-ahụta agbam mbọ na ịdị uchu dị ka isi hiwere agamnihu. Nke a gosiri n'ezie na ndị Igbo na-achọ ka onye ọ bụla gbalịa oke ya iji mee ka akaraka chi ya nyere ya chawapụta.

Ọ bụ eziokwu na onye nwere agamnihu ga-enweta otito, ugwu na nsọpụrụ nke ndị mmadụ, mana agamnihu ọ bụla onye Igbo nwetara bụ maka ọdịmma mmadụ niile. Iloanya na Nwanegbo-Ben (2021) lebara anya na nka ịlụpụta ngwa ahịa na ugwu dịịrị mmadụ n'ala Igbo ma kpebie na ndị Igbo na-agbasi mbọ ike ma na-enwe aṅụrị oge nwanne ha na-aga n'ihu n'ihi na ha maara na agamnihu otu onye bụkwa ọdịmma mmadụ niile.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ ezi akparamaagwa bụ atụtụ na-akọwa ihe kpatara agwa ọ bụla mmadụ kpara ji dị mma ma ọ bụ dị njọ. Ọ na-akọwa ihe mere mmadụ ji kwesị ịkpa ụdị agwa a tụrụ anya. Atụtụ a na-eleba anya n'etu e si ekpebi ụdị agwa kwesịrị ekwesị na nke ekwesịghị. Wilburn (2020) kọwara na ọ bụ Kant nwa afọ mba Greek 1724-1804 wepụtara atụtụ a. Kant ji atụtụ a akọwa na ihe bụ ezi akparamaagwa bụ ọrụ ọma tinyere na agwa dị mma bụ nke nwere mkpalite ịrụ ọrụ ọma. Rawl (2021) na nkọwa nke ya kewara atụtụ ezi akparamaagwa ụzọ abụọ. Nke mbụ ka ọ kọwara dị ka ebe mmadụ nwere ikike ịhọrọ etu ọ ga-esi meso ndị mmadụ ọzọ niile n'akpaghị oke ọ bụla. Nke abụọ bụ na ike ọha na akụ na ụba na-aba uru naanị oge mmadụ niile tinyere ndị ogbenye ritere uru ahụ. Atụtụ a na-eleba anya n'ihe ọ ga-ewe iji sị na akparamaagwa ziri ezi ma ọ bụ na o zighị ezi. Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-atụpụta usoro mmadụ ga-esi na-eche ezi echiche, na-akpa ezi agwa ma na-ahọrọ ihe ọ kpọrọ akparamaagwa kwesịrị ekwesị.

Atụtụ a dabara iji kwado ederede a n'ihi na ndị Igbo kpọrọ ịgba mbọ were nweta agamnihu ezi ihe tinyere na agamnihu onye Igbo nwere abụghị naanị nke onwe ya dị ka o siri metụta nsirihụndụ ndị Igbo. Ndụ ndị Igbo jupụtara n'agbam mbọ n'ihi na ha kwenyere na ihe ọ bụla mmadụ ga-eme iji nweta akụ na ụba ma gakwaa n'ihu ga-abụrịrị nke ọ ga-enweta n'ụzọ ziri ezi.

**Nzipụta Nkwenye ndị Igbo na Ịgba Mbọ na-eweta Agamnihu**

Ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si ezipụta nkwenye ha na ịgba mbọ na-eweta agamnihu.Ọtụtụ mmadụ na mba ụwa dị iche iche na-ahụta ndị Igbo n'ọgbọ a dị ka ndị nwebigara mmasị oke n'akụ na ụba na n'agamnihu. Nke a mere ụfọdụ mmadụ ji asị na otu ụzọ e nwere ike isi kpebie na onye Igbo anwụọla n'ezie bụ mgbe e fere ya ego n'ihu ma o bilighị. A na-ahụtazi ndị Igbo ka ndị na-achụ ego aghara aghara n'ihi ihe ọjọọ ụfọdụ ndị Igbo na-etinye aka na ya ugbua iji nweta akụ na ụba na agamnihu. Ma nke a abụghị ụzọ ndụ ndị Igbo n'ihi na ha nwere ụzọ dị iche iche ha si ezipụta nkwenye ha na ịgba mbọ na-eweta agamnihu. E lee anya na ndụ ndị Igbo, a ga-achọpụta ụzọ ndị ahụ n'ilu, oke ịga mba ọzọ, aha, ịkwanyere ọgaranya ugwu, na ndị ọzọ.

**Ilu**

Ndị Igbo na-esite n'ilu dị iche iche ha na-atụ egosipụta na ịgba mbọ na-eweta agamnihu. Ilu bụ okwu amamihe ndị Igbo ji ezipụta nkwenye na nsirihụndụ ha oge ha na-ekwu okwu. Isidienu (2018) kwadoro nke a site n'ịkọwa na ilu agbụrụ ọ bụla na-ekwu ọtụtụ ihe maka ụzọ ndụ ha. O mere ka a mata na ilu mba Afrịka gbanyere nnukwu mgbọrọgwụ n'ụzọ ndụ ha ma na-emetụta usoro ekpemekpe, ezi akparamaagwa, ịkatọ ajọ agwa, ọchịchị na ndị ọzọ. Ọtụtụ oge, nghọta ilu Igbo anaghị ese elu kama ọ na-adị omimi n'ụdị na ọ bụ site n'ichemi echiche ime ka a na-eji aghọta ya ma ọ bụ mara mpụtara ya. Ya mere, site n'ilu Igbo na-atụ, ha na-ezipụta n'ezie na ọ bụ site n'ịgbasi mbọ ike ka mmadụ ga-eji nweta akụ na ụba, ọdịmma, na ihe ọ bụla e nwere ike ịkpọ agamnihu. Iji maa atụ, ilu dị ka "Onye rụọ, o rie" na-egosi na ọ bụ naanị mgbe mmadụ tụnyere oke nke ya site n'ịrụ ọrụ ka ọ ga-eji nweta ihe ọ ga-eri. Ihe ọ pụtara bụ na onye ọrụ rụchaa, ọ ga-eri uru

sitere n'ihe ọ rụpụtara. Ndị Igbo ji ilu a ezipụta na o nweghị onye kwesịrị ịnọ na-eche ka ndị ọzọ rụchaa ka o were soro rie; kama ọ bụ onye rụrụ ọrụ na-erite uru na ihe ọma na-esite n'ọrụ. Ọ pụtakwara na onye arụghị ọrụ agaghị eri kama ọ ga-ebu ọnụ.

Ilu ọzọ na-egosi nkwenye ndị Igbo na ịgba mbọ na-eweta agamnihu bụ "Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ." Mgbe mmadụ na-arụ ọrụ, ọsịsịọ na-agba ya, aka na ahụ ya niile na-ejupụta n'aja na inyi. Mana mgbe ọrụ mịtara ezi mkpụrụ, ọnụ na-ejupụta n'oriri nke bụ ọnụ mmanụ mmanụ. Ndị Igbo ji ilu a egosi na onye chọrọ ihe ọma na ndụ n'ụdị ọ bụla kwesịrị ịtụnye agbam mbọ.

Ọzọ bụ "A rụọ n'anwụ, e rie na ndo." Ilu a pụtara na mgbe mmadụ na-arụ ọrụ, ọ na-anọ n'anwụ, anwụ na-acha ya. Ma mgbe onye ahụ rụrụ ọrụ ga-eri ihe ọ rụpụtara n'ọrụ, ọ naghịzị anọ n'anwụ. Onye nọ n'ihu ọrụ na-agabiga ihe isiike na ihe iche aka mgba dị iche iche nke a hụtara dị ka oge onye dị etu ahụ nọ n'anwụ. Oge mkpagbu niile gafechaara, ọ bụrụ oge iri uru nke a hụtara dị ka oge onye ahụ nọ na ndo.

Ndị Igbo na-atụkwa ilu sị "Nwata kwọchaa aka, o soro okenye rie nri."Chinweuba na Ezeugwu (2017) kọwara na ndị Igbo ji ilu a egosi nkwenye ha na inweta ezi aha na ugwu n'etiti ọha na-esite n'ịgba mbọ a hụrụ anya. Ha kọwara na ndị Igbo ji ilu a egosi na akụ a kpatara n'ụzọ ziri ezi na-akwalite ugwu dịịrị mmadụ ma mee ka onye ahụ kwụpụ iche n'etiti ndị ọgbọ ya. Okwuosa, Nwaoga na Uroko (2021) kwuru na ilu a na-egosi na onye ọ bụla na-enweta agamnihu site n'ịgba mbọ na enyemaka nke chi onye.

E nwekwara ilu Igbo na-asị "Nwa ewu gbutue ala, ọ ṅụọ nne ya ara." Ilu a na-egosikwa na ndị Igbo kwenyere na agamnihu enweghị ebe ọzọ o si abịa karịa site n'ịgba mbọ. Ihe ilu a pụtara bụ na onye nwere mkpa ga-ebu ụzọ rụọ ọrụ dịịrị ya iji nweta ihe ọ na-achọ ma ọ bụ na onye ahụ ga-ebu ụzọ rụọ ọrụ dịịrị ya iji nweta ebumnobi ya. Nke a gosiri na ụfọdụ oge, ihe mmadụ ga-eme iji nyere onwe ya aka gboo mkpa ga-adị onye dị etu a n'ụkwụ; mana ọ bụrụ na onye ahụ etinyeghị agbam mbọ nke onwe ya iji chọpụta ihe ahụ ma mee ya, ọ ga na-agagharị na-achọ enyemaka ebe o mebeghị ihe o kwesịrị ime ka ihe dị ya nso were rue ya aka.

Ilu Igbo ọzọ bụ " Onye ngana kpuchie ute, agụụ ekpughepụ ya." Ndị Igbo ji ilu a egosi nkwenye na onye ngana agaghị ahụ ihe ọ ga-eri na ihe ọ ga-eji nyere ndụ aka. Onye tụkọrọ aka na ụkwụ n'ụdị na o nweghị ihe ọ ga-emenwu bụ mgbe o nwere onye na-enye ya. Mgbe onye ngana ahụghịzi onye na-enye ya, naanị agụụ ga-eme ka o bilie ma chọọ ihe ọ ga-eme iji nyere onwe ya aka.

Ilu Igbo ndị a a tụlere n'elu na-ezipụta n'ezie na Igbo bụ agbụrụ kwenyesịrị ike na mmadụ inweta agamnihu n'ụdị ọ bụla bụ site n'agbam mbọ. Ndị Igbo chọpụtara na ngọzị niile na-esite n'aka Chukwu mana na nkwenye ha, mmadụ agaghị anọ na-arahụ ụra ka Chukwu were gọzie ya. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ site na mbọ onye na-agba ka Chukwu ga-esi wụkwasa ya ngọzị site n'ime ka ihe ọ na-eme gaziere ya.

**Oke Ịga Mba Ọzọ**

Oke ịga mba ọzọ iji nweta ohere ịgba mbọ were chụta akụ na ụba so n'otu ụzọ ndị Igbo si egosi na ịgba mbọ na-eweta agamnihu. Ịchọ ohere na gburugburu dị mma iji nweta akụ na ụba na-eduga ndị Igbo na mba dị iche iche n'ụwa. Akpulu (2021) kọwara na ihe e ji mara ndị Igbo bụ ịgba mbọ na ịdị uchu n'ọrụ nke na-eme na a na-ahụ ha n'okirikiri ụwa niile. Ọ pụtara na ọ bụghị na ndị Igbo

nwere mmasị naanị n'ime njem ma ọ bụ n'ibi na mba ndị ọzọ kama na ọ bụ ohere na ọnọdụ ka mma iji kpata akụ na ụba ka ha na-achọga mba ọzọ dị iche iche. Ụfọdụ ndị nchọcha dị ka Ihejirika (2011) chọpụtara na a gaa na mba ụwa dị iche iche ọ kacha n'obodo mepere emepe, ndị na-akacha n'ọnụọgụ ma e wepụ ndị nwe ala bụ ndị Igbo. Ihejirika (2011) kwukwara na ọ bụ n'ihi na obosara ala ndị Igbo ebughị ibu kpatara ndị Igbo ji agbasa na mpaghara Naịjirịa niile ebe ha na-ebute ụzọ na mbọ mmepe niile site n'azụmahịa, imepụta ngwa ahịa, inwe ụgbọ na-ebu ndị njem na ụzọ ndị ọzọ niile e si akpata akụ na ụba.

Na ntụnye nke ya, Prictchett (2017) kọwara na ndị Igbo dị ka mkpụrụ ụkpaka nke na-agbasa ebe niile oge ọ kachara n'ogbe ya, ụfọdụ n'ime ndị gbasara na-esikwa n'ebe dị iche iche ha gbasara maka achụm nta akụ na ụba lọghachi ma welata ihe nnweta ma ọ bụ akụ ha chụtara na mba ọzọ. Ụfọdụ n'ime ndị gbasara na mba ụwa dị iche iche na-agbanyezi mgbọrọgwụ na mba ọ bụla ha hụrụ onwe ha n'alaghachighị azụ n'ala nna ha. Ihe Prictchett na-akọwa bụ na ụmụ Igbo na-agbasa dị ka mkpụrụ ụkpaka dị ka ha na-aga mba ụwa dị iche iche oge ha topụtara mmadụ ma chọwa ụzọ ha ga-esi nyere onwe ha aka n'inweta agamnihu. Ndị na-agbanye mgbọrọgwụ na mba ọzọ ma ghara ịlaghachi ma ọ bụ welata akụ ha kpatara na mba ọzọ na-adapụ na nkwenye na n'okwu Igbo na-asị "akụ ruo ụlọ, o kwue onye kpatara ya." Ihejirika (2011) kwadoro nke a ebe ọ sịrị na ndị Igbo kwenyere na mmadụ ịba ọgaranya abaghị uru ma ọ bụrụ na ndị ọzọ eriteghị uru n'akụ na ụba onye ọgaranya ahụ.

Na nkọwa Okwuosa, Nwaoga na Uroko (2021), ọ bụ n'ihi ihe isi ike nke na-ebi ndị Igbo aka ọjọọ malite n'oge a lụchara agha Naịjirịa na Bịafra mere ndị Igbo ji agbasa n'ụwa niile iji chọọ ohere ha ga-eji nweta agamnihu. Ha kọwara na ọ bụ n'ihi iwu dị iche iche ọchịchị etiti Naịjirịa tiri n'oge ahụ bụ ndị a hụtara dị ka ụzọ isi taa ndị Igbo ahụhụ dị ka ndị e meriri n'agha mere ndị Igbo ji esite ala ha na-achụga nta akụ na ụba na mba ụwa dị iche iche. E nwere ike ịsị na nke a bụ eziokwu mana ọ bụkwa ụzọ Igbo si egosi na ha kwenyesiri ike n'ịgba mbọ. Ihe bụ eziokwu bụ na ebe ọ bụla ndị Igbo hụrụ onwe ha n'ụwa, ha na-achọ ụzọ ha ga-esi were ohere ọ bụla ha nwere were gbooro onwe ha mkpa. Ha na-eme nke a site n'ịchọpụta ma webata ihe kwesịrị ịdị na gburugburu ahụ mana ọ dịghị.

**Mkpatara Ịchụ Akụ na Ụba Aghara Aghara n'Oge Ugbu a n'Ala Igbo**

Ụfọdụ ihe na-ebute oke ịchụ akụ na ụba aghara aghara a na-ahụ n'etiti ụfọdụ ndị Igbo n'oge a gụnyere:

a. Inwebiga mmasị oke n'agamnihu

Nchọpụta gosiri na oke inwe mmasị n'inweta agamnihu na-etinye ụfọdụ ndị Igbo n'ịchụ akụ na ụba ọnwụ ọnwụ na "Ọ chaa sị gbute, ọ chaghị sị gbute." Nke a na-eme ka ọtụtụ na-etinye aka n'ihe ọjọọ dị iche iche dị ka, ịtọ na igbu mmadụ were gwọọ ọgwụ ego, ire akụkụ ahụ mmadụ, iji mmadụ tụ mgbere na arụ ndị ọzọ. Ọtụtụ ndị Igbo taa ọ kacha ndị ntorobịa chọrọ isonye na ndị a ga na-ahụta dị ka ndị nwere agamnihu n'ụdị dị iche iche. Ọ bụ ihe mwute na ọtụtụ n'ime ha anaghị enwe ndidi, taa ahụhụ n'ụdị ịgba mbọ e jiri mara ndị Igbo tupu ha achọwa inweta agamnihu. Okwuosa, Nwaoga na Uroko (2021) kpọrọ nke a inweta uru n'ụzọ ezighị ezi.

b. Oke mkpagbu ọchịchị etiti na-akpagbu ndị Igbo

N'eziokwu agha Naịjirịa na Bịafra a lụrụ site n'afọ 1967 rue 1970 wetara ọtụtụ mgbanwe na ndụ ndị Igbo. O mere ka ọtụtụ ndị Igbo malite ịchọ naanị maka ọdịmma nke onwe ha. Okwuosa,

Nwaoga na Uroko (2021) kwuru na n'ihi mkpagbu a na-akpagbu ndị Igbo malite oge a lụchara agha Bịafra na Naịjirịa, ihe isi ike bidoro rịwa elu n'etiti ndị Igbo nke mere na ọtụtụ ndị Igbo malitere chọwa ọchịchọ naanị nke onwe ha. Ha kọwara na nke a abụghị ụzọ ndụ ndị Igbo site na mbụ kama n'oge mbụ, onye Igbo na-ahụ onwe ya dị ka onye nche nwanne ya.

ch. Ịghọtahie ugwu a na-akwanyere ndị ọgaranya

Ndị Igbo na-akwanyere ndị nwere ego ma ọ bụ akụ na ụba ugwu pụrụ iche. N'ala Igbo, onye nwere ego, akụ na ụba, na ihe akụ akụ na ihe enwe enwe ka a na-akpọ ọgaranya. Nnukwu ugwu a na-akwanyere ndị ọgaranya n'ala Igbo mere ka a na-ahụta akpamoke n'etiti ndị ọgaranya na ndị ogbenye. Ekwealor (1998) kwenyere nke a mgbe ọ kọwara na otu ihe e ji mara ndị Igbo site na nchọcha ndị Akịọlọji mere iji chọpụta ebe ndị Igbo si malite gosiri na ndị Igbo bụ ndị na-akpa oke n'etiti ọgaranya na ogbenye. Akpamoke a na-apụtakwa ihe na nkwenye ndị Igbo na ndị nwere ike isonye n'otu ndịichie ukwu oge ha nwụrụ bụ ndị biri ezigbo ndụ, nwe ego, chie echichi, nwee ezinaụlọ na ihe ndị ọzọ tupu ha anwụọ. Ebe ndịichie nta bụ ndị biri ezigbo ndụ ma ha enweghị ego, ha echighị echichi tupu ha anwụọ. Ya bụ na nsirihụndụ ndị Igbo gosipụtara ha dị ka ndị na-akwanyere ọgaranya ugwu. Mana ugwu ndị Igbo na-akwanyere ọgaranya abụghị naanị akụ ya ka a na-akwanyere ugwu kama ọ bụ ịgba mbọ na ntachi obi onye ọgaranya ahụ tinyere n'ihe ọ na-eme ma ọ bụ ihe o mere were kpata akụ ka ndị Igbo na-akwanyere ugwu. Nke a bụ n'ihi na n'oge ochie, ọ bụ ọrụ ugbo ka e jiri mara ndị Igbo nke mere na onye ọha weere dị ka ọgaranya n'oge ahụ bụ onye nwere ụbara ezinaụlọ, nnukwu ọba ji na ọtụtụ anụmanụ. N'oge ahụ, onye ọ bụla na-ama ụzọ doro anya onye bụ ọgaranya si enweta akụ ya.

N'oge ugbu a, ndị Igbo ejesaala ma bisaa karịa etu ọ dị ma mbụ. Ọ bụ ya mere na ọ bụghị mmadụ niile ka a maara ihe ha na-eme na ụzọ ha si akpata akụ ha nwere. Tinyere na ịkwanyere ndị ọgaranya ugwu ka bụkwa ụzọ ndị Igbo si pụọ iche n'agbụrụ ndị ọzọ.

d. Oke ọchịchọ isonye na ndị ọnụ na-eru n'okwu n'obodo

N'oge ugbu a, ọtụtụ mmadụ chọrọ ka ha sonye na ndị nwere ọnụ okwu n'obodo. O doro anya na ọtụtụ mgbanwe abatala n'usoro obibi ndụ ndị Igbo na n'etu ha si eche echiche. Ọtụtụ mmadụ tụmadị ndị ntorọbịa achọghịzị inwe ndidi jiri nwayọọ kpawa ego n'ụzọ dị iche iche dị mma kama ihe dị ha mkpa bụ ka a na-anụ aha ha n'obodo. Ndị dị etu a na-enwe mmasị isonye na ndị obodo jiri biri na ndị nwere ọnụ okwu n'obodo n'ebughị ụzọ gbaa mbọ kwesịrị ekwesị iji nweta akụ na ụba.

Ihe na-echu ụfọdụ ụra bụ ụdị ụlọ ha chọrọ iwu, nnukwu ụgbọala ha chọrọ ịgba na etu ha ga-esi site n'otu mba ofesi gaa na ọzọ ma ha achọghị ịta ahụhụ n'ụdị ọ bụla. Ọnọdụ dị etu a edubanyela ọtụtụ ndị ntorobịa n'ịkpa arụ dị iche iche iji nweta akụ nke ha na-akpọ "ibute ike" n'ọgbọ a. Ọtụtụ ndị ntorọbịa na-etinye aka n'igbu mmadụ, ịtọrọ na ire mmadụ iji gwọọ ọgwụ were nweta ego na ajọ agwa ndị ọzọ jọgburu onwe ha.

**Mmechi**

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịkọwa nsirihụndụ ndị Igbo gbasara agamnihu. O gosiri na ndị Igbo bụ agbụrụ na-agba mbọ nke ukwu n'ihe ọ bụla ha na-eme n'ihi nkwenye ha nwere na ọ bụ ụzọ kacha mma iji nweta agamnihu. Ederede a mere ka a mata ihe mere e ji ahụ ndị Igbo n'okirikiri ụwa niile nke ihe kpatara ya bụ ịchọ ohere maka ịgba mbọ were nweta agamnihu. A chọpụtakwara na nsirihụndụ ndị Igbo n'ebe o metụtara isi n'agbam mbọ nweta agamnihu na-apụta ihe n'ilu Igbo dị

iche iche. E sitere n'ụzọ ndị a mee ka ụwa mara na oke ịrụrụ aka iji kpata ego a na-ahụ n'etiti ụfọdụ ndị Igbo n'ala Igbo na n'ụwa niile n'ọgbọ a abụghị njirimara ndị Igbo kama o megidere nkwenye ndị Igbo.

## Edensibịa


Achebe, C. (1958).*Things Fall Apart*. Heinemann Educational Books.

Akpulu, E. O. (2020). "Ịkpọlite Ezi Akparamagwa na Usoro Obibi Ndụ Ndị Igbo". *Odezuruigbo: An International Journal of African and Asian Studies*. Vol. 4. No. 1, Pp. 81-92.

Akpulu, E. O. (2021). Culture: The Identity and History of Every Tribe". *Ekwe Journal Nke Ndị Igbo Scholars Forum*. Vol. 14. No. 2, Pp. 201-217.

Chinweuba, G. E. & Ezeugwu, E. C. (2017). "The Ontological Foundation of Igbo Entreprenurship: An Analytical Investigation". *Journal of Philosophy, Culture and Religion. Vol. 3.* https://www.iist.org.

Anokwute, A. C. (2019). Igbos, A People Thriving Amist Adversity: Who Are The Igbos". https://www.academia.edu.

Ekwealor, C. C. (1998). *Omenala na Ewumewu Igbo*. African First Publishers.

Ephriam-Chukwu, A. C. (2023). "Nkọwa Ndị bụ Ndị Igbo". *Ọmụmụ Agụmagụ na Omenaala Igbo.* Na C. E. C. Ogwudile, J. I. Okeyika & D. I. Ilechukwu (Eds). Fomart Publishers.

Flint, J. E. (1966). *Nigeria and Ghana*. Knopf.

Ihejirika, C. (2011). "Ndiigbo in Nigeria: A Aquest for Survival and Prosperity".

Iloanya, P. C. & Nwanegbo-Ben, J. (2021). "Entreprenurship and Dignity of Man in Igbo Worldview". *World Journal of Advanced Research and Reviews*. https://wjarr.com

Isidienu, I. C. (2018). "Ebe a Ga-Ahụ Nsirihụndụ Ndị Igbo."*Odezuruigbo: An International Journal of Igbo, African and Asian Studies*. Vol. 2. No. 1, Pp. 1-16.

Isidienu, I. C. (2023). *Nka na Akaọrụ Ndị Igbo.* Durability Prints.

Nwani, J. (2024). "Igbos are a Proud Community, They Possess A High Level of Self-Confidence".Vanguard Newspaper July 15, 2024.

Nwoye, C. M. A. (2011). "Igbo Cultural and Religious Worldview: An Insider's Perspective". *International Journal of Sociology and Anthropology*. Vol. 3. No. 9, Pp. 304-317. http://www.academiajournal.org

Nzereogwu, D. C. (2022). "Agriculture and Pre-Colonial Igbo Econony: The Nnewi Example". *Odezuruigbo: An International Journal of Igbo, African and Communication Studies*. Vol. 6. No. 1, Pp. 115-122.

Okwuosa, L. Nwaoga, T. C. & Uroko, F. (2021). "The Post War-Era in Nigeria and the Resilience of Igbo Communal System". *JAMBA: Journal of Disaster Risk Studies*.hptts://www.ncbi.nlm.nhi.gov

Orji, E. O. (2021). "Mbụrụ Metụtara Ntaji Anya na Nsirihụndụ Ndị Igbo". *Enyo: Jọnal Otu ndị ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenaala Igbo.* Vol. 2. No. 1, Pp. 134-142.

Prictchett, F. W. (2017). "Igbos are Like Ukpaka Tree: American Professor Tells about the Igbo People". https://nairaland.com

Rawl, F. (2020). "Moral Theories in Ethics". https://home.sandiego.edu

Wilburn, H. (2020). "An Introduction to Kant's Moral Theories".https://openlibrary.okstate.edu